# “ÒNYE DIRI JEHOVA?”
## Ọpupu 24:12-18; 31:18; 32:1-35
### IHEỌ̀MỤ̀MỤ̀ 67 - Nke Ndị etiti

**AMAOKWU IBUN’ISI: “Gi enwela chi ọzọ tiyerem” (Ọpupu 20:3).**

**Ndị Israel Ná Ncherị ta Iru Ugwu Sainai**

Mgbe Moses latara site n’ugwu ahụ náejide iwu Chineke nyere ụmụ Israel ka ha doo onweha nsọ ụbọchị atọ, mgbe nke a gasịrị ka ha bịarue kwa nso ịnụ okwu nke Chineke gaagwa ha, ha jiri obi ha niile wee kwere irubere Chineke isi n’ihe niile. Mpụta ha site n’Ijipt dị ka inwe nzọpụta, ịrapụ ihe niile nke ụwa; ịgafe Osimiri Uhie ha bụ ihe yiri ọwụwụmmiri nke mmiri. Ma ọtụtụ ihe ọzọ kafọdụkwara ụmụ Chineke inweta mgbe azọpụtasịrị ha. Chineke naachọ ka ha bịarue Ya nso ma gee ntị n’iwu Ya niile; ka ha na Ya yịkọ jee ijè rubekwara Ya isi n’ihe niile. Ụmụ Israel n’ugwu Sainai yiri ịbịaru nso nke odudonsọ; ma chee échìchè banyere ihe Chineke gaara emere ha ma ọ bụrụ na ha bịaruru Ya nso wee mezuekwa uche Ya! Ha malitere ime uche Chineke, ma n’ebe arụ ha dị ha mekwara onwe ha ka ha dị ọcha n’elu arụ ha; ma mgbe ha nụrụ ihe niile Chineke nyere n’iwu (Deuteronomi 5:22), ha wee laa àzụ̀: “N’ihi na ha anāgidegh ihe enyere n’iwu” (Ndi Hibru 12:20).

Ọtụtụ mmadụ taa naamalite njèm ha dịka NdịKraist; ma mgbe ha ghọtara ihe ọ pụtara bụ́ ibi ndụ dị nsọ n’iru Chineke ha ala àzụ̀, ihe ha adịghị kwa Chineke ezimma. Ìhè ahụ ha nwetaworo ewee ghọrọ ha ọchịchịrị.

**Iwu Ahụ Edekwasị ri Ná Mbadamba Nkume**

Chineke chọrọ inye ụmụ Israel iwu iri ahụ n’ụzọ nke ha náagaghị echéfu ya maọbụ hichapụ ya. O wee kpọ Moses na Joshua ka ha bakuru Ya nime ugwu ahụ, ma o jiri mkpịsịaka Ya dee iwu ahụ niile n’elu mbadamba nkume ahụ. Joshua gaabụ onye ndú nke Ụmụ Israel mgbe Moses nwụsịrị, ya mere ọ bụ kwa ihe dị mkpà na ya onweya gaeso kwa, bịarue Chineke nso nụ kwa okwu Ya niile.

Ebube Jehova kpuchiri elu ugwu ahụ rue ụbọchị isii. Ihe mmetuta dị nsọ dị añaa ka ọ gaabụworọị Moses na Joshua, ndị nwere Mmụọ Chineke nime ha; na n’ebe ụmụ Israel nọ ndị náekiri ya site n’ebe dị anya, ọ dị ka “ọku na-erepịa erepia.” Mmadụ ndị náenweghị ịhụn’anya Chineke nime obi ha apụghị ịghọta ihe nke Mmụọ, ha naatụkwa egwù banyere ihe òkìkè dị elu nke Chineke. Ma lee ka ịdị ụtọ ya ra nye ezi OnyeKraist bú ịlụ ọlụ nke Mmụọ Chineke n’etiti ha! N’ụbọchị nke asaa nke Moses na Joshụa nọrọ n’elu ugwu ahụ, Chineke malitere ikwuokwu. Moses amụtawo ichere Onyenweanyị, ike agwụghị kwa ya n’inwe ndidi. Anyị nwere ọtụtụ mkwà nke Chineke dịrị anyị ikwere, ma anyị agaghị kwa atụfu okwukwe anyị n’ihi na Chineke naanọ ọdụ mgbe ụfọdụ inye ọ̀zízá Ya. Mkwà nke kachasị ukwuu bụ̀ nke ahụ náekwu maka mbịaghachi nke Onyenweanyị n’eluụwa. Ọ nọwo ogologo oge, ma ụmụ Ya ji obi ná anụọkụ náechere ọbịbịa Ya, náenweghị kwa obiabụọ banyere ịdị irè nke óké ụbọchị ahụ.

**Mmekọrị ta Nke Chineke Na Mmadụ**

O nweghị ihe ọ bụla ekwuru banyere iri ihe oriri n’ebe Moses nọ nime iri ụbọchị abụọ ahụ ọ nọrọ n’eluugwu ahụ. Anyị kwenyere na o jupụtara na ebube nke Jehova nke wezugara échìchè niile banyere nri nke anụarụ. Mgbe Chineke tụkwasịrị ibuarọ nke ekpere n’obi ndị Ya ka ha kpesie ekpere ike banyere otù ihe, ha naechefu ihe oriri ha mgbe ụfọdụ. Mgbe mmadụ naanọgidesiike n’ekpere onye ahụ naabịaru Chineke nso soro kwa Ya kparịtaụkà, nke náekewapụ ya na nwa mgbe site n’ebe ihe niile dị ya gburugburu dị. Ka mmadụ naeji ndụ ya chụbiga àjà ókè otú a ka ọ naadịrị ya mfé ya na Chineke ịnọ náenwe kwa mmekọ karị. Mgbe anyị naenyebiga onweanyị n’ekpere, anyị naenwe agụụ ikpe karịa. Dịka mmadụ naenwe mmasị ịbịaru nso Onyenzọpụta ya, ọ ganaeche na o nwere ihe kọrọ ná ndụ ya mgbe ọ bụla ọ rapụrụ ikpe ekpere. Mgbe o sitere ná nlefuanya wee tufue agụụ ikpe ekpere, ọ naakpasu Mmụọ Chineke iwe; ma ọ bụrụ na ọ ga n’iru n’ụzọ dị otú a n’oge náadịghị anya ọ gaadị kwa ka osisi tamarisk n’ala ihe náadịghị, nke dị n’ebe niile kpọrọnkụ̀ n’ọzara (Jeremaia 17:6).

Moses rapụụrụ Eron na Hua ọlụ ilekọta mkpọkọta ahụ niile mgbe o jèghachiri ka ya na Chineke kparịtaụkà. Ọ dịkwa n’aka ha ịzà ajụjụ ma kpezie kwara ndị ahụ ikpé gbasara esemokwu.

**Agụụ Nke Ndị Ahụ Maka Inwe Chi Ọzọ**

Ì nwereike ịtụle n’uche gị, ihe bụ nsogbu mbụ ha nwere? Ha chọrọ inwe chi ọzọ. Iwu mbụ ahụ nke Chineke nyeworo ha bụrị na ha agaghị enwe chi ọzọ tinyere Ya, na ha agaghị kwa emere onweha arụsị apịrịapị ịkpọ isiala nye ya. Ma ugbu a ha enupụworị isi n’okwu Ya.

Akwụkwọnsọ kwuru na ndị ahụ naefè Chineke òfùfè ma ha naakpọ isiala nye nwa ehi ahụ. Ebube nke Chineke ahụ ha legidere anya n’eluugwu ahụ nke náakwụ anwụrụọkụ efunarịwọ akọnaụche ha rue n’ihe ntakịrị nke bụ náánị nwaehi ọlaedo ahụ. Ha wee sị, “Ndia bu chi-gi, Israel, ndi mere ka i si n’ala Ijipt rigoputa.”

Ka anyị tụgharịa uche banyere ihe ụfọdụ nke Chineke meworo ha nime ọnwa anọ garaaga. Mgbe Chineke tisịrị ndị Ijipt iheotiti ahụ dị egwù nke Ndị odeakwụkwọ dị nsọ náenweghị ike iwezuga maọbụ mee ụdị ya, Ya Onweya ekewawo osimiri uhie ahụ ka ụmụ Israel wee gabiga n’elu ala akọrọ. Mgbe ndị Amalek busoro ha agha Chineke nyere ụmụ Israel mmeri dị ebube site n’aka Joshua dịka onye isiagha ha na Moses onye ya na Eron na Hua nọ n’elu ugwu náarịọ Chineke arịrịọ. Mgbe agụụ gụrụ ha Chineke nyere ha mana na nnụnụ quail ka ha rie, (ha nọ kwa náeri mana ahụ nke Chineke rọpụtara ha kwa ụbọchị). Arọpụtawo kwara ha mmiri site na nkume ahụ kpọrọ nkù mgbe akpịrị kpọrọ ha nkù. Ihe ndịa niile ka ndị Israel mataworo, ha wee nwee kwa ike ikwu site n’okpukpuìsì nke imemmụọ ha: “Ndia bu chi-gi, Israel ndi mere ka i si n’ala Ijipt rigoputa.”

Anyị chetara na ndị Ijipt efeworị ehi òfùfè; ma mgbe ikpé Chineke dakwasịrị ala ha, anụụlọ ndị ahụ nwụsịrị ọ dịghị kwa chị ha ọ bụla nke nwereike inyere ha aka. O kwesịrị ka Ụmụ Israel mụta ihe site na nke a nke ha náapụghị ichefu ngwangwa.

Anyị apụghị ịghọta ụdị nkịrịka enweghị okwukwe na enweghị obi ekele dị otú a, ma mmadụ ole taa bụ kwa ndị kpuruìsì dịka ha n’ebe ihe ebube nke Oziọma Chineke dị! Ọ naalụọlụ ebube nke ịgbanwe ndụ onyemmehie ka ọ ghọọ onye nsọ, na ịgwọ ndị nrịanrịa, na ime onweya ka Ọ pụta ìhè na ọtụtụ ụzọ anaapụghị ịgụta ọnụ. Ma otú ọ dị ọtụtụ mmadụ apụghị kwa ịhụ eziokwu nke dị n’okpukpé nke Baịbụl.

### Iwe Eziomume Nke Chineke

Akpasuru Chineke iwe n’ihi ndị ahụ (i nwere ike ịta Ya ụta?) na O jikere ịla obodo ahụ niile n’iyi. O kwere mkwà ime ka mba ọhụụ pụtara Ya site ná mkpụrụ afọ nke Moses n’ihi na obiumeala na nrubeisi nke Moses dị Ya ezimma.

Ma Moses achọghị nsọpụrụ na àkụ̀naụba nke onweya. Omume nke ndị náeso ya n’àzụ̀ wutakwara ya onweya, ma ọ chọrọ ka enye aha Chineke otuto. Ọ bụrụ na ụmụ Israel niile anwụsịa ugbu a, ndị Ijipt nwereike ị sị na Chineke enweghị kwa ike Ọ gaeji duba ha n’ala nke mkwà ahụ, n’ihi nke ahụ ka O jiri rapụ ha ka ha laa n’iyi nime ọzara. Moses chọrọ ka ụwa niile mara ike nke Chineke, nke a mere o ji rịọ Ya arịrịọ ka Ọ gbaghara ụmụ Israel. Ụdị mmadụ dị ebube dị añaa ka Moses bụ na ọ hụrụ ndị mmehie ahụ n’anya sieike nke mere ka ọ rịọ Chineke arịrịọ idebe ha ndụ!

Jisọs meere anyị ọbụná ihe karịrị. Akwụkwọnsọ naagwa anyị na Jisọs nwụrụ n’ihi ndị iro Ya. Chineke apụghị ilegide mmehie anya n’ụzọ ọ bụla ma ọ bụghị iweiwe dị ọkụ, ma Jisọs wụsịrị Ọbara Ya ka Ọbara ahụ wee kpuchie mmehie niile anyị ma zopụ kwa ha n’iru Nna. Jisọs anwụghị ọnwụ n’ihi mmehie nke Ya – O mehieghị maọlị. Ọ hụrụ ahụhụ Ya niile n’ihi mmehie niile nke mụ na gị.

### Ike Nke Arị rị ọ Amara

Chee échìchè banyere ike ahụ nke Moses nwere nime ekpere ya nye Chineke. O chètaara Chineke maka mkwà Ya niile nke O kwere Abraham, Aisak, na Jekob, na mkpụrụ ha gaenweta n’ala Kenean. Moses rịọrọ Jehova ka O cheta mkwà niile ndị ahụ, ma meere Israel bú ndị mmehie ebere.

Mgbe anyị bịakutere Chineke anyị nwere oghere ichetara Ya mkwà Ya niile. Ọ bụrụ na anyị naamụsi okwu Chineke ike anyị gaamara ihe mkwà ndị ahụ bụ, anyị nwekwara ike ikpé ekpere n’okwukwe, náenwe olileanya na ọ gaemezu okwu Ya. Ọ̀ bụghị ihe dị ebube na anyị ndị bú ihe dị ala nke Chineke ji aka Ya abụọ kee nwereike ịrịọ Ya arịrịọ n’ụzọ nke nzaghachi ya naewetara anyị ọdịmma?

### Mmehie Dị  Icheiche Nke Ekpughere

Chineke gwara Moses ihe ndị ahụ nke náeme mgbe ọ náanọghị n’etiti ha – mmehie ndị ahụ jọgburu onweha nke ha naeme. Chineke naeme ka ndịozi Ya mara mgbe mmehie na egbebata nime ọgbakọ ha. Ọ mazuru ihe niile; O nweghị ụdị mmehie ọ bụla apụrụ izonarị n’anya nke Chineke; ma ọ baghị kwara onye ọ bụla urù ịgbalị na ikpe ekpere ma ọ bụrụ na onye ahụ ejikereghị ịjụ mmehie ya niile. “Onye nēkpuchi njehie-ya nile, ọ gagh-agara ya: ma onye nēkwuputa ha, nke nārapu kwa ha, aga-enwe obi-ebere n’aru-ya” (Ilu 28:13).

Mgbe Moses na Joshua rịdatara site n’ugwu ahụ ha nụrụ olu nke ịbụabụ̀  ka ndị ahụ naagba égwú gburugburu nwaehi ọlaedo ahụ. Moses wee iwe nke ukwuu megide ụmụ Israel n’ihi na ha enyeghị Chineke nsọpụrụ nke mere na ọ tụdara mbadamba nkume abụọ ahụ n’ala bú nke Chineke dekwasịrị iwu iri ahụ n’elu ha -- ha wee bibie dịka ụmụ Israel si mebie iwu ahụ site n’omume ha.

Moses were nwaehi ọlaedo ahụ gwee ya dịka uzuzu. O wee fesasịa uzuzu ahụ n’elu mmiri mee ka ndị ahụ ñụa ya. Nwaehi ahụ enweghị ike ọ bụla ịnapụta onweya ọ dịghị kwa mgbe ọ gaenwe ike idupụta ụmụ Israel site n’Ijipt.

Eron nwara ka ọ gọpụ onweya n’akụkụ nke megidere ya ná mmehie ahụ. O wee sị na ndị ahụ nyere yarị ọlaedo; ma mgbe ya tinyere ya nime ọkụ̀ ka ọ gbazee nwaehi wee pụta. Ma nke ahụ abụghị eziokwu; n’ihi na Akwụkwọnsọ kwuru na o “were ihe eji egbu-egbugbu gbue ya.”

O wee ju Moses anya ịmata ma ọ ka dị kwa ezi mmadụ fọdụrụ n’etiti ndị ahụ náeso ya. O wetawo ọtụtụ ngọzi nke Chineke inye ha site n’eluugwu ahụ mgbe ọ naarịdata, ma ha egosiwo na ha ekwesịghị ịnara ha; n’ihi nke a ọtụtụ ngọzi ahụ agbanwewo wee ghọọ ikpé dị icheiche.

Moses wee guzo ná ncherịta iru ndị ahụ wee jụọ ha ma ọ dị onye ọ bụla nime ha nke gaadịrị Jehova. Ụmụ ndịkom Livai niile wee chịkọta onweha guzoro Jehova. Ndịa adịghị ọtụtụ riinne ma ewere ha tụnyere igwè mba ahụ niile ndị ajụrụ ajụjụ ahụ. Chineke jiri ha nye ndị mmehie ahụ ntarama ahụhụ; puku mmadụ atọ wee nwụọ n'ụbọchị ahụ, site n'ọnụ mmaagha nke Ndị Livai.

Ònye dịrị Jehova taa? Ọ bụghị ọtụtụ mmadụ ka ọ naagụsi agụụ ike iguzoro n'akụkụ Onye Nazaret ahụ ewedara n'ala; ọ bụghị ọtụtụ mmadụ naachọ ịhụ ahụhụ nke ntà n'ebe a ka ha wee nweeike soro Kraist bụkọọ eze mgbe Ọ gaabịa na otuto Ya. Ọ bụrụ nnọọ na ndị mmadụ nwereike ịghọta mkpà Ndụ ebighịebi dị karịa nwaoge ntà nke anyị nwere n'ụwa nke a, ha gaagbagaworị n'ukwù obe wee kpọkue Onyenzọpụta ahụ ná nchègharị ka O meere ha ebere.

Moses wee laghachịkuru Chineke wee rịọ Ya ka Ọ gbaghara mmehie nke ndị ahụ. O kwenyere na ha emewo mmehie dị ukwuu, ma ọ chọrọ ka ebere nke Chineke kpuchie ya. Ọ bụrụ na Chineke agaghị agbaghara ndị ahụ mmehie ha, Moses jikere ka ewepụ kwa òkè ya n'akwụkwọ nke Ndụ. Ma nke  ahụ abụghị ụzọ Chineke si eme ihe. O wee sị, "onye ọ bula nke mehieworo megidem, ya ka M'gēhichapu n'akwukwọm." Moses emehieghị; n'ihi gịnị ka o ji ata ahụhụ?

Moses mere ihemkpuchi mmehie (nke bụ́ ịchụàjà nke nwụsị ọbara) n'ihi mmehie nke ndị ahụ; iwe Jehova wee jụrụ. Ọ gwara Moses ka ọ gaa n'iru náedú kwa ndị ahụ ịbà n'Ala nke Mkwà ahụ. Ma otú ọ dị, Chineke tiri ha ihe otiti n'ihi na ha mere nwaehi ọlaedo ahụ ma kpọọ kwa isi ala nye ya.

**AJỤJỤ DỊ ICHEICHE**

1. Òlee ebe ụlọikwuu nke ndị Israel dị n'oge iheọ̀mụ̀mụ̀ a?
2. N'ihi gịnị ka ndị ahụ ji tụọ egwù Chineke?
3. Ònye ka ya na Moses so rịgoro n'ugwu ahụ? N'ihi gịnị?
4. Gịnị ka ndị ahụ mere mgbe Moses pụrụ?
5. Òlee ụzọ esi taa ha ahụhụ n'ihi mmehie ha?
6. N'ihi gịnị ka Chineke ji mere ha ebere?
7. Òlee ndị ahụ dịrị Jehova?